# NADAB NA ABAIHU

## Levitikọs 10:1-20; Ọnụ-ọgugu 3:1-4

### IHE ỌMỤMỤ 85 – Nke NdỊ-etiti

**AMAOKWU IBUN'ISI: "Kpọnu isi-ala nye JEHOVA n'ima-nma nke idi-nsọ: ka ọ nēgbu unu ngbu site n'iru Ya; (tuanu egwu n'iru Ya) unu elu-uwa nile" (Abù Ọma 96:9).**

**Ọñụ nke Ndị Israel**

Óké ọñụ dị na nnọkọ Israel n'ụbọchị ahụ araara ụlọikwuu ahụ nye Chineke wee doo kwa ndị nchụàjà nsọ maka ijéozi dị nsọ. Lee ụdị ọñụ ndị ahụ nwere mgbe ha na-esoro ndụmọdụ niile nke Chineke banyere ịchụàjà niile! Ma mgbe ọkụ dakwasịrị n'elu ebe ịchụàjà ahụ na mberede wee repịa ihe achụrụ n'àjà, ọñụ ha wee jubiga óké. Ha matara na ọkụ si n'ebe Chineke nọ bịa, ha wee ñụrịa ọñụ na Ọ nọnyere ha. Obi tọrọ ha ụtọ nke ukwuu nke mere ha ji daa kpuo iru ha n'ala wee kpọọ isiala nye Onyenweanyị.

Eron na ụmụ ya ndịkom nwetara ọbụná ngọzi dị ukwuu karịa nke ndịọzọ. Ewepụtara ha iche maka ijéozi n'Ebe Nsọ ahụ. Eyibekwara ha uwe nwụda mara mma nke ukwuu nke náánị ndị nchụàjà na-eyi, ma mmadụ niile pụrụ ịhụ kwa ha dịka ndị dị nsọ. Karịa nke ahụ Chineke akpọwo aha Eron na ụmụ ya ndịkom abụọ eburu ụzọ mụọ Nedab na Abaihu ka ha soro Moses na Eron rigoo n'elu ugwu n'oge ahụ Chineke kpughere Onweya nye ndịokenye ahụ dị iri asaa (Ọpupu 24:9-11).

Tụlee n'uche gị ohere nke a dị ebube ha nwere ịnọ Chineke nso! O kwesịrị ime ka obi tọọ ha ụtọ nke ukwuu nwee kwa obiumeala nke ga-enyere ha aka ịgbalịsi ike ime ihe ga-atọ Onyenweanyị ụtọ n'ihe niile ha na-eme. Chee uche otú ndụ ha ga-esiworị dị ebube n'ikpeazụ ma asị na ha fere Chineke òfùfè n'ikwesị ntụkwasịobi!

**Nnupụisi Akpachara Anya Mee**

Kama irubere Chineke isi, n'etiti ọñụ ahụ na ebube nke ido ụlọikwuu ahụ nsọ, Nedab na Abaihu wee nupuisi site n'iwere ọkụ ala ọzọ tinye n'ihe ịgụ-ọkụ ha. Ha enweghị ihe ngọpụ. Chineke emewo ka ọkụ dị nsọ nwuo n'elu ebe ịchụàjà, ma rọpụta kwa ihe niile ha chọrọ iji fee Ya. O buruworị ụzọ gwa ha ihe niile ha ga-eme, ma dọọ kwa ha aka-ná-ntị ka ha ghara iwebata ọkụ ala ọzọ n'ụlọikwuu ahụ. Ná-agbanyeghị nke ahụ n'otù ụbọchị ahụ Ọ gwara ha okwu a, ka ha nupụkwara Ya isi. Ha chere na ụzọ nke aka ha dị kwa nnọọ ezimma. Ị maara ihe mere ha?

**Etigburu**

Ọkụ si n'ebe Chineke nọ bịa ripịa Nedab na Abaihu ma gbuo kwa ha n'otù ntabi anya ahụ, dịka àmụmà. N'otù ntabi anya ha bụ ndị dị ndụ - na nke ọzọ ha ghọrọ ndị nwụrụ anwụ. Chineke ekweworị mkwa na ụmụ ha ga-abụ ndị nchụàjà n'ọnọdụ ha; ma n'ihi nnupụisi ha, ha nwụrụ na-amụtaghị ụmụ ndị ga-anọchi ha.

Chineke na-ele mmadụ niile anya ka ha na-erube isi n'iwu Ya niile ma mgbe ha na-emeghị otú a, ikpe Ya ga-abịakwasị ha. Ọ bụ Onye-ebere, ọ naghịkwa egbu onye mmehie ozugbo ahụ o mehiere, (ọ bụ ezie na ihe dị otú a na-eme mgbe ụfọdụ), ma ikpé bụ ihe ná-aghaghị ịbịa. "Nkpuru-obi ahu nke nēmehie, ya onwe-ya gānwu" (Ezikiel 18:4). Ọtụtụ mmadụ ekwenyeghị na nke ahụ, ma ha na-eche na ha ga-aga Eluigwe ọbụná ma asị na ha na-eme mmehie. Adam n'onweya ekwenyeghị ya, mgbe ọ nupụụrụ Chineke isi nime Ubi ahụ agbara ogige. Chineke agwawo yarị na ọ bụrụ na o rie mkpụrụ osisi ahụ nke ịma ezi ihe na ihe ọjọọ na ọ ghaghị ịnwụ. Ma otú ọ dị, setan gwara Iv na ọ gaghị anwụ, kama ọ ga-enwe amamihe dịka Chineke. Ya mere Adam na Iv kwenyere onyeiro ahụ karịa Chineke. Ma lee óké nhụjuanya dị ukwuu ha hụrụ! Ha nwụrụ nime mmụọ, ma Chineke esoghị kwa ha jee ijè ọzọ n'ubi ọma ahụ agbara ogige. O wee nye ha iwu ka ha rapụ ubi ahụ agbara ogige pụọ ma banye nime ụwa ahụ ha ná-amataghị na mbụ ịlụsi ọlụ ike ka ha wee nweta ihe oriri ha. Ha na-arịa ọrịa ná-ahụ ahụhụ nke ná-agaghị erutewo hàrị ma asị na ha rubeere Chineke isi.

**Ikpé Aghaghị Ịdị**

Chineke na-echere ndị ahụ ná-amaghị otú ha ga-esi fee Ya ogologo oge, Ọ na-enye kwa ọtụtụ ohere ka ha chègharịa. Ma ebere Ya adịghị anọgide ogologo oge mgbe ndị mmadụ na-akpachapụ anya ná-emehie megide iwu Ya. Nedeb na Abaihu anọworị Chineke nso nke mere ka ha mara uche Ya. Ma kwesị kwa ime ka ha tụọ egwù Ya karịa ịnupụrụ Ya isi. Ha kwesịrị ịnata ikpé Chineke nyere ha site n'itigbu ha n'otù ntabi anya ahụ. Ha enweghị kwa ohere ịrịọ maka mgbaghara.

**Okwu Chineke Pụtara Ìhè**

Ka anyị tụgharịa uche hụ otú o si dị mkpà irubere uche Chineke isi. Anyị nwere Baịbụl, Okwu Nsọ Ya ma nime ya ka anyị ga-ahụ ụzọ ndụ ebighị ebi. Chineke kpachapụrụ anya ime ya ka ndụmọdụ Ya niile dị mfé. Ọ sị, "Onye ọ bụla nke nāga n'uzọ, ọbuná ndi gbagọrọ agbagọ n'uche-ha, ha agagh-akpafu akpafu" (Aisaia 35:8). Mgbe ụfọdụ anyị na-ahụ ka ụmụntakịrị na-ebu ndị mụrụ ha ụzọ ghọta ụzọ a ga-esi zọpụta ha. Jisọs sịrị, "Ọ buru

na unu echigharịgh, bịa di ka umu-ntakiri, unu agagh-aba n'ala-eze elu-igwe ma-ọli" (Matiu 18:3). Ndị mmadụ aghaghị ichefu amamihe nke ha ma rubere Jisọs isi ọ bụrụ na ha chọrọ ka azọpụta ha.

Nime Baịbụl anyị nwere akụkọ banyere ndị ọgaranya – ezi ọlụ ha na ọlụ ọjọọ ha lụrụ. Akụkọ banyere ọtụtụ obodo ka edekwara nime ibe Akwụkwọ a dị nsọ. Jisọs sịrị na enyere anyị ha niile dịka ihe nlereanya. N'ihi nke a anyị aghaghị ịgụ Baịbụl ma mụzie kwa ya nkeọma ka anyị wee mara kwa ihe mmụta nke anyị ga-enweta site n'ihe nlereanya ndịa.

Ọ bụrụ na mmadụ dị ka Nedab na Abaihu ndị nọ n'ọkwa ukwu dị otú a mehiere ewee laa ha n'iyi n'ihi mmehie ha o kwesịrị ka anyị mara na Chineke ga-ala kwa mmadụ ọ bụla mehiere n'iyi. Iyi uwe nwụda ndị nchụàjà na ijéozi n'ụlọ chọọchị agaghị eme mmadụ ka ọ bụrụ onye jikeere izute Jisọs. Ọ bụrụ na o mee mmehie ọ ga-anwụ ewee taa kwa ya ahụhụ. Jisọs sịrị, "Ọ bugh onye ọ bula nke nāsim Onye-nwe-ayi, Onye-nwe-ayi, gāba n'ala-eze elu-igwe; kama ọ bu onye nēme ihe nnam Nke bi n'Elu-igwe nāchọ" (Matiu 7:21). Na mgbe ọzọ, Ọ sịrị "Gini mere unu nākpọm, Onye-nwe-ayi, Onye-nwe-ayi, ma unu emegh ihe nile M'kwuru" (Luk 6:46). N'ihi gịnị ka anyị ga-eji iru-abụọ ná-eme omume dịka ndị Kraist mgbe anyị ná-adịghị erubeisi n'iwu niile nke Chineke? Anyị enweghị ike ịbà n'Eluigwe ma ọ bụghị ma anyị na-adị ndụ anyị dịka okwu niile Jisọs nyeworo anyị n'iwu sị dị.

**Ịkpọ Okpukpé Ụgha Asị**

Ụfọdụ mmadụ na-eche na n'ihi na ha bụ ndị kwesịrị ntụkwasịobi n'okpukpé ha na ha pụrụ ikwere ihe ọ bụla. Nke a ọ̀ bụ ihe Akwụkwọnsọ na-agwa anyị? Nedab na Abaihu na-ebu ihe nsureọkụ ná-esi ísìụtọ n'ihe ịgụọkụ ha dịka iwu Chineke si dị -- ha na-ejé n'usoro nke okpukpé – ma ha jiri ọkụ ná-abụghị ezi ọkụ.

Chineke kpọrọ okpukpé ụgha asị. Ọtụtụ ugbò ka Ọ gwara ụmụ Israel ka ha lezie anya maka ndị ahụ ná-ekpere arụsị; ka ha hụ́ kwa na ha esoghị n'okpukpé nke ndị na-ekpere arụsị.

Otù mgbe, mgbe Israel mehiere, Chineke ekweghị ka mmiri zoo n'elu ala arọ atọ na ọkara. N'ikpeazụ nke oge ahụ, Elaija chere ndị amụma Beal akamgbá ka ha chọpụta onye bụ ezi Chineke. Site n'óké iti mkpu ha dịka ndị isi ná-adịghị mma, ha wee chọọ ịnata ọ̀zízá ekpere site n'aka chi ha, ndị Beal wee ná-egbukasị onweha arụ ruo mgbe ọbara pụtara. Ma o nweghị ihe mere. Ha bụ ndị kwesịrị ntụkwasịobi n'okpukpé ha, ma ịnụọkụ n'obi ha alụpụtaghị ihe ọ bụla.

Jisọs agwawo anyị na anyị aghaghị ikpere Nna Ya nime "Mọ na ezi-okwu." Ọzọ kwa Ọ sị, "Nēlenu anya, nēze kwa ihe ndị Farịsi na ndị Sadusi, bụ ihe nēkọ achịcha" (Matiu 16:6). Ha bụ ndị amaara aha ha n'okpukpé, ma ha nwere mmehie nime obi ha; Jisọs wee gwa ha na ha bụ ndị ajọ omume. Okpukpé nke ha ná-agbanyeghị otú ha si jidesie ya ike, ha adịghị dịka òzízí niile nke Jisọs si dị.

Óò, ọ bụrụ na ndị mmadụ ga-amata na ọ ga-ewere ha ịdị ndụ dị ọcha na nke dị kwa nsọ, na obi eji kwa chụbiga àjà ókè iji mee ka ha na Jisọs bụrụ otù, ha ga-abụ ndị ejikeere maka Eluigwe! Ụdị okpukpé ọ bụla nke eji obi jupụtara na mmehie apụghị ikwadobe mmadụ maka izute Jisọs.

**Ọkụ̀ Alaọzọ**

Ụfọdụ ndị òtù okpukpé nwere ịnụọkụ n'obi dị ukwuu "nke di-ọkụ" ma nke ahụ bụ "ọkụ ala-ọzọ." Ndị dị otú a adịghị ebi ndụ dịka nkuzi nke Baịbụl si dị. Jisọs sịrị, "Unu gēsite na nkpuru ha mazu ha" (Matiu 7:16). Ya mere ná-agbanyeghị otú mmadụ si ná-eme gara gara ná anụarụ ma ọ bụ ná egosi onweya onye ná-anụsị ọkụ ike nime okpukpé ya, ọ bụrụ na onye dị otú a adịghị ọcha dị kwa ụtọ dịka Jisọs kuziri ya, onye ahụ abụghị onye nke Kraist.

**Erughị Uju n'ihi Mmehie**

N'ezie Eron hụrụ ụmụ ya ndịkom n'anya. Ọ hụkwara ha n'anya dịka ndị Chineke rọpụtara. Ma mgbe Chineke tigburu ha n'ihi mmehie ha Eron matara na ikpé Chineke ziri ezi, ọ sagheghị kwa ọnụ ya n'inwe ọmiko n'arụ ha. Asị na Eron ruru uju, ọ ga-adị ka ọ na-atamụ ntamù banyere mkpebi Chineke kpebiri iwepụ ndị nchụàjà ọjọọ ahụ. Ijéozi nke Chineke dị ya mkpà karịa mmetuta nke onweya, ya na ụmụ ya abụọ ndịọzọ gara n'iru ikpere Chineke ha.

Obi adịghị atọ anyị ụtọ mgbe otù onye daghachịrị azụ site n'ebe Chineke nọ, anyị na-ekpe kwa ekpere nke ukwuu ka Chineke mee ebere ma zọpụta kwa onye ahụ ọzọ. Ma ọ bụrụ na ọ jụ ịchọ iru Chineke, anyị agaghị ekwe ka nnụpụisi ya gbochie anyị ijere Onyenweanyị ozi. Ma ọ bụrụ na ewezuga mmadụ n'ihi ikwesi olu ike ya ogologo oge megide Onyenzọpụta, anyị aghaghị ịrapụrụ Chineke nke ahụ ma jisie ike irita ndịọzọ n'urù nye Alaeze.

Otù mgbe Chineke zipụrụ Samuel Onyeamụma ka o tee Sọl mmanụ ịbụ eze Israel. Eze ọhụụ a bụ nwatakịrị nwoke nke nwere obiumeala onye topụtara wee bụrụ nwaokorọbịa dị mma ile anya. Samuel wee hụ́ ya n'anya. Mgbe Sọl tolitere ghọọ dimkpa o wee bụrụ onye mpako nupụkwara Chineke isi. O wutara Chineke nke ukwuu nke mere na O wepụrụ Sọl site n'ịbụ eze. O wutara Samuel nke ukwuu banyere ya. O wee cheta otú Sọl si hụ́ Onyenweanyị n'anya mgbe ọ dị n'okorọbịa, o wee bụrụ ihe siri ike ichè na ọ bụ nwoke ajọomume. Chineke gwara Samuel otù ụbọchị sị, "Rue òle mgbe ka gi onwe-gi ganēruru Sọl uju, ebe Mu onwem juworo ka ọ ghara

ibu eze Israel?" (1 Samuel 16:1). Ma Chineke nwere obiebere Ọ gaghị ajụ kwa onye ọ bụla nke ná-achọ ka azọpụta ya.

**Étoro Chineke**

Aga enye Chineke otuto. Ndị nchụàjà nwere ohere ibuli ịdị-nsọ Ya site n'irubere Ya isi n'ụzọ ha si achụ àjà ha niile. Kama nke ahụ Nedab na Abaihu nupụrụ Ya isi. Chineke gosiri ndị ahụ ịdị-nsọ Ya site n'itigbu ndị mmehie ahụ. Ndị ahụ niile wee ruo újụ na ndị nchụàjà ha adawo. Ha ghọtakwara na ha aghaghị ilezianya, ka ha onweha ghara kwa imehie wee nata ọnụma nke Chineke.

Chineke enweghị ike ile mmehie anya ọma, ma mgbe emere mmehie ahụ nime Ụlọ Ya ọ bụ ihe jọgburu onweya nke ukwuu. Òlee otú mmadụ ga-esi were iru-abụọ ná-akpọ onweya Onye Kraist, ná-ejeso kwa ụkpụrụ niile nke ikpere Chineke ma nọgidesie ike n'inupụrụ Chineke isi si kwa otú a wetara Oziọma ihe ihere! Ka anyị mata nkeọma urù ọ bara idebe iwu niile nke Chineke ma ná-eje ime ihe ga-atọ Ya ụtọ.

**AJỤJỤ DỊ ICHE ICHE**

1. Òlee ndị bụ Nedeb na Abaihu?
2. Òlee ebe anyị nụrụ ihe banyere ha na mbụ?
3. Òlee otú esi mụnye ọkụ ụlụikwuu maka ikpere Chineke?
4. Gịnị bụ iwu Chineke nyere banyere ọkụ ahụ?
5. Mgbe Chineke nyesịrị iwu Ya ò weere Nedab na Abaihu oge ra añaa inupụrụ Ya isi?
6. Gịnị dakwasịrị ha n'ihi nnupụisi ha?